# ARỌPỤTARA JOSEF ỊNỌ N'ỌNỌDỤ DỊ ELU

## Jenesis 41:37-57

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 36 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBU N'ISI: " N'ihi na ọ bugh n'ọwuwa-anyanwu, ma-ọbu n'ọdida-anyanwu, ọ bugh kwa n'ọzara, ka nbuli-elu nēsi bia. Kama Chineke bu onye-ikpe" (Abù Ọma 75:6, 7).**

**I Fero Naara Ndụmọdụ**

1. Fero chọpụtara amamihe n'okwu Josef, Jenesis 41:37; Aisaia 55:1; Jọn 6:68
2. Asọpụụrụ Chineke dịka Onye naenye amamihe, Jenesis 41:38, 39; Job 28:28; Ilu 1:7; Matiu 7:24
3. Ebuliri Josef elu ịnọ n'ọnọdụ nsọpụrụ, Jenesis 41:40-45
4. Josef naeje ebe dị anya ịlụzu ọlụ ya niile, Jenesis 41: 46; Jọn 4:3-26, 46-53; Mak 2:1-5; Luk 7:11-15

**II Ndọgbun'ọlụ Na Ikwesi Ntụkwasị obi nke Josef**

5. Ọtụtụ iheoriri ka edebeworo iji nápụta ụmụmmadụ, Jenesis 41:47-49; Aisaia 53:3-5; Jọn 3:16; Ndi Kọlọsi 1:4; Jọn 19:1-18; Jọn 14:2
6. Oge nke owuweiheubi ahụ riri nne agwụwo, Jenesis 41:50-53

**III Oge nke Óké Ụnwụ N'ala ahụ**

7. Nke a bụ dịka amụma ahụ nke Josef buru si dị, Jenesis 41:54; Matiu 5:18
8. Enyere ndi nile nọ n'okpuru ọchịchị nke Josef ihe-oriri, Jenesis 41:54; Mak 6:38-44; Ndi Filipai 4:19; Job 23:12
9. Ọ bụ ihe dị mkpà iso ndụmọdụ nke Josef, Jenesis 41:55; Jọn 2:5
10. Óké ụnwụ ahụ náadịkwasị n'elu ụwa niile, Jenesis 41:56,57; Emos 8:11; Aisaia 55:1; Jọn 6:68

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Fero bụ nwoke nwere uche onye matara ihe amamihe bụ, ma nwee kwa ezi obi inye Onye ahụ nsọpụrụ bú onye nyererị Josef iheọmụma (nghọta) iji kọwaa nrọ̀ ahụ niile (Jenesis 41:38). Josef elekwasịworị Chineke anya maka nkọwa nke nrọ̀ ahụ, Onyenweanyị emewokwa ka ọ mara nkọwa nrọ̀ ahụ, ka o wee bụrụ na enwere nnapụta site n'ụnwụ ahụ n'Ijipt.

Mbulielu nke Josef debere ya n'óké ịchịisi, tinyere ọtụtụ ọlụ nke o nyere ya ịlụ (Abù Ọma 105:17-22). Obodo Ijipt na ụwa niile dabeere n'ebe Josef nọ n'ihi nnapụta site n'ụnwụ ahụ (Jenesis 41:57); n'otùaka ahụ n'ụbọchị taa ka ụwa náaghaghị ilegide Jisọs anya, Onye náánị Ya pụrụ ịnapụta (Jọn 14:6). Josef nwere óké nleruanya, ọ kpachapụkwara anya n'idebe ọtụtụ iheoriri nke bara urù n'ihi ọdịmma nke ụmụmmadụ. Ihe niile ka elezirianya mee n'oge ahụ. Otù aka ahụ ka ọ dị n'ebe Jisọs nọ: O mezuru mkwadobe niile dị mkpà. Anyị, dịka ndị Ijipt ahụ, apụghị inyere onwe anyị aka, ma Kraist zụtaara anyị nzọpụta. Ọ bụghị site n'ikwesị ntụkwasịobi maọbụ n'ọlụ nke anyị onwe anyị ka ejiri gbapụta anyị, kama site n'Ọbara ahụ dị óké ọnụahịa nke Kraist (Taitọs 3:5).

Anyị naachọpụtakwa n'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị na iji mee ka ndị ahụ agụụ gụrụ nweta nri ahụ iji dị ndụ, ọ bụ ihe baara ha urù iso ndụmọdụ niile nke Josef (Jenesis 41:55). Otù aka ahụ ka ọ dịkwa n'oge nke Amara. Obi niile nke náachọ nri nke igwe, nke ma ewezuga ya ndụ nke imemmụọ apụghị ịdị, aghaghị ilezi anya na-eso n'òzùzù òkè ndụmọdụ ahụ niile nke Onyenwenyị Jisọs Kraist nyererị n'ụzọ pụtara ìhè nkeọma nime Baịbụl. Ndị ahụ náejésoghị uche nsọ nke Chineke ka anaebipụ n'ebe ahụ "manna nke igwe" si apụta inweta ya, n'oge náadịghị anya ha abụrụ ndị náadịghị ndụ n'ebe Chineke nọ.

Anyị naachọpụta kwa na aha mbulielu ahụ nke Fero nyere Josef (Zafenat-pania) naapụta "onye nchebe ndụ̀." Nke a naarụkwa aka nkeọma n'ebe Kraist nọ, Onye, ọ bụghị náánị na O nwere ike ichebe ndụ nke imemmụọ nime onyeKraist, kama nwee kwa ike itinye, maọbụ inye, ndị ahụ ndụ ebighịebi ahụ bú ndị náejéijè n'izu òkè, dịka uche Ya si dị.

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Fero ò nwere ntụkwasịobi ọ bụla n'okwu niile nke Josef?
2. Ọ̀ bụ ònye ka enyere nsọpụrụ n'ihi amamihe nke a?
3. Mbulielu Josef ọ̀ bụ n'ihi mpụtaìhè nke amamihe ya kàọbụ n'ihi ikwesị ntụkwasịobi ya n'ebe Chineke nọ?
4. Josef ọ̀ naejéozi nke ihe niile banyere obodo n'ikwesị ntụkwasịobi ma ná ejidekwa izuòkè ya n'ebe Chineke nọ?
5. Gịnị bụ ọnọdụ maọbụ ọkwa nke Josef nime alaeze ahụ?
6. Gịnị bụ ọlụ Josef lụrụ n'arọ niile nke nrijuafọ ahụ?
7. Amụma ahụ eburu banyere arọ asaa ahụ nke nrijuafọ ò mezuru? Òlee maka arọ̀ ahụ niile nke óké ụnwụ?
8. Inweta nri, ònye ka agaeso ndụmọdụ ya niile?
9. Òlee ebe ụnwụ ahụ ruru?